# Ajụjụ Ụfodụ Gbasara Data Fonọlọjị Igbo Izugbe

*Kenneth Obiorah Ekezie*

*University of Lagos*

## Ụmịedemede

*Igbo izugbe bụ Igbo e ji arụ ọrụ ma ndị Igbo gbakọzuo. N'ihi na Igbo izugbe na-etolite etolite, ụfọdụ ndị omenchọcha chọrọ ka a hụta ọrụ ha dịka nke na-esighị n'olundị na-eji data si na fọnọlọji Igbo izugbe eme nchọcha. Oge ụfọdụ a naghị ajụ ebe na etu e si nweta ụdị deta a. Nke a mere anyị jiri nyochaa data Fonọlọjị Igbo Izugbe n'akụkọụwa ụlọ mgbasa ozi redio ise. Ha bu ABS, EBBC, ESBS, BCA na Orient FM. Nchọpụta anyị gosiri na mkpụrụụda asụsụ ndi a /l/ na /r/, /r/ na /f/, /v/ na /b/, /ghị/ na /gị/, /la/ na /go/, /l/ na /n/ na /r/ na /y/ na fonọlọjị Igbo Izugbe n'ụlọ mgbasa ozi nakwa n'edemede na-enwe mgbanwe ụda asụsụ. Anyị wee na-asị na ọ ga-adị mma ka e lebaa ihe kwesiri ịbụ fonọlọjị Igbo Izugbe anya kpọmkwem.*

## Mkpọlite

Izugbe asụsụ bụ asụsụ ọha mmadụ nwere ike ịghọta mgbe ọbụla e ji ya kwuo okwu. O kwesịghị ka fọnọlọji Izugbe na-ata ntị arụ ma a sụọ ya. Igbo Izugbe bụ Igbo e ji arụ ọrụ ma ndị Igbo gbakọzuo[1]. Ọ bụ Igbo Izugbe ka a nabatara iji na-arụ ọrụ na ụlọozi dị icheiche[2]. Igbo Izugbe ka a kara nabata kamgbe e nwechara ndorọndọrọ nke ndị Isuama na *Union* Igbo. Ma ndi-nkuzi na ndi-ọchịchị niile dị n'ala Igbo anabatala Igbo Izugbe. E nwere ụdị Igbo Izugbe abụọ; Igbo Izugbe a

[1] Emenanjọ Nnaluo 2015. *A Grammar of Contemporary Igbo*. Port Harcourt: Linguistic Association of Nigeria.
[2] Iwu Ikwubuzo 2019. 'How to Save Igbo Language from Dying' the sun newspaper Friday 4th Oct 2019 online from www.sunnewsonline.com

na-ede ede na Igbo Izugbe a na-asụ asụ[3]. Igbo Izugbe a na-ede ede ka e ji ede akwụkwọ dị icheiche, werekwa ya na-akuzi ihe. Ọ bụ Igbo Izugbe a na-ede ede ka e ji bipụta akwụkwọ dị icheiche e ji amụ Igbo na ntaakara, pụramarị, kọleji na mahadum. Ọ bụ Igbo Izugbe a na-ede ede ka e ji bipụta akwụkwọ maka "*Advance Teachers College and Education*". Ọ bụkwa ya ka e ji bipụta akwụkwọ e ji amụ Igbo dịka onye bụ onye Igbo na-amụ Igbo dika asụsụ ya nke Bekee kpọrọ (L1), na onye na-abụghị onye Igbo na-amụ Igbo nke Bekee kpọrọkwara (L2). Ọ yakwa ka e ji tinye Igbo n'iteneti n'ebe di icheiche.

Dịka ọ dị ugbu a, e nwere ihe ndị e jiri mara Igbo Izugbe. Iji maatụ, Igbo Izugbe nwere nsụpe nke aka ya. O nwekwara ọdịmara a mara e ji ede ya[4] . Ụfọdụ ndị ọkammụta[5] dere maka etu e siri hazie usoro asụsụ na ahịrịokwu Igbo Izugbe. Otu onye ọkammụta[6] gosịpụtara ihe ndị anaghị ahụ n'Igbo Izugbe di n'olundi Igbo dịka mkpọnuime, mkpọnime, mkponaakpo na mkponaegbugbere. N'akwụkwọ ụfọdụ ndị ọzọ[7], ihe a na-ahụ bụ etu ndị odee siri kọwaa mkpụrụokwu Igbo dịka Abiidi Igbo, ọdịmara fonetiks Igbo, ụdị nnọkọ dị icheiche e ji akpọpụta okwu Igbo na nkọwa maka ụdaolu Igbo. E nwebeghị ihe ndị e dere gbasara fọnọlọji Igbo Izugbe

---

[3] Nwachukwu Akujuoobi 1983. *Towards an Igbo literary Standard*. London: Kegan Pual International 1983

[4] Mgbemena Uba Asonye 2011. *Orthography: the Igbo Example*. Lagos: Sam Iroanusi Publicatio

[5] Nweya, Gerald 2018). ''Igbo Clause Structure and the Cartograpghy of the Complementizer Phrase Domain''. A PhD Thesis Nnamdi Azikiwe University.

[6] Nkamigbo Linda Chinelo 2014. Nasalization, Aspiration and Labialization in Igbo dialect phonology in *SKASE Journal of Theoretical Linguistics*. vol. 11, no.2

[7]Obiorah, Kenneth Ekezie 2017. An Acoustic Description of Standard Igbo and Anam Dailect Sounds. M.A Thesis, University of Ibadan.

n'ezumezu ya. Ihe ndi na-ahu bu maka fọnọlọji olundi. Iji maa atụ, e[8] nyochara etu ndị Ọraukwu na-enweghi mmetụta asụsụ Bekee na ndị nwere mmetuta Bekee si agbanwe mkpọpụta okwu na ụda /r/ na /l/. Nchọpụta ya gosịrị na ndị Ọraukwu na-enweghị mmụta na mmetuta asụsụ Bekee na-eji /l/ ekwu okwu, ebe ndị nwere mmụta maka etu e si asụ Bekee ji ma /r/ na /l/ ekwu okwu. Otu onye ọkammụta[9] lebakwara anya n'etu ndị Ọba siri e ji mkpụrụ ụda mgbanwe ụfọdụ ekwu okwu n'olundị Ọba. Nchọpụta ya gosịrị na afọ ole mmadụ dị, asụsụ ụfọdụ ndị Ọba maara, ebe ha bi, na mmụta akwụkwọ na-eme ka ụfọdụ were otu mkpụrụụda na-ekwu okwu karịa ndị ọzọ. Nchọpụta ndị a gosịrị na mgbanwe dị n'olundị Igbo dị ọtụtụ. Ebe mmadụ abụọ bi n'otu obodo ji mkpụrụụda abụọ ekwu otu ihe, ọ bụzi n'Igbo Izugbe ka agaghị ahụ nke a? Nke a ka o jiri dị mkpa ileba data fọnọlọji Igbo Izugbe anya.

Ihe nke a ji di oke mkpa bu na Igbo e nwela nkọwa okwu Igbo dị icheiche mana Igbo enwebeghị nkọwa okwu bụ maka ịkpọpụta okwu Igbo dịka o siri di n'asụsụ Bekee. N'ihi na Igbo Izugbe na-etolite etolite, ụfọdụ ndị omenchọcha chọrọ ka a hụta ọrụ ha dịka nke na-esighị n'olundị na-eji data si na fọnọlọji Igbo Izugbe eme nchọcha ha, n'agbanyeghị na enwebeghị nkwekọrịta maka ihe a ga-akpọ fọnọlọji Igbo Izugbe.

---

[8] Okafor, Eble 2005. Analysis of a Phonological Variation in Oraukwu Dialect of Igbo: A case Study of the Phoneme /l/ for /r/. *Lagos Notes and Records* Vol XI

[9] Mba, Evelyn 2008. A Sociophonology of Oba Igbo in Udezuluigbo in *A festschrift in Honour of Sam Uzochukwu* in Iwu Ikwubuzo, Chinyere Ohiri-Aniche, Chigozie Nnabuihe eds, Lagos: Green Olive Publishers, Lagos, Nigeria

## Fọnọlọji Izugbe Asụsụ

E nwere ihe ndị e jiri mara fọnọlọji Izugbe[10] siri kowaa. Ha bu ndị a:

1. Fọnọlọji Izugbe anaghị enwekebe mgbanwe olu na ya.
2. Fọnọlọji Izugbe na-enwe nkọwa okwu bụ maka mkpọpụta mkpụrụokwu Izugbe mana fọnọlọji Igbo Izugbe e nweghị ndị a.

## Ihe ndị a mara maka fọnọlọji Igbo Izugbe:

(1) Fonim nkịtị dị iri ato na isii, ebe fonim nsụkwasị (ụdaolu) di atọ.

2, Mkpọnimi, Mkpọnaekpo na Mkpọnaegbugbere adighi ya.

3. Fọnọlọji Igbo Izugbe nwere nsupe aka ya.

4. E tụrụ anya na ọ bụ Fọnọlọji Igbo Izugbe ka a ga-eji na-akụzi ihe na mahadum.

5. O bukwa Fọnọlọji Igbo ka e ji aru oru na ụlọ mgbasa ozi.

Dịka anyị maara, ọ bụ n'olundị Igbo dị icheiche ka e si nweta mkpụrụokwu dị icheiche e jiri mebe fọnọlọji Igbo Izugbe. E nweputara ụfọdụ olundi Igbo, njirimara ha, na ebe a na-asụ ha[11]. Ha bu ndị a:

Tebulu 1 maka Olundi Igbo di icheiche

| | Ebe | Olundi | Mofim nju | Mofim aspect | Mgbanwe |
|---|---|---|---|---|---|
| 1 | *Delta, part of Edo* | *West Niger Group of dialects* | -ro, na/ne | Go/ele/ le | |

[10] Mikros GK 1997. Radio News and Phonetic Variation in Modern Greek. Journal of Greek Linguistics' 95 proceeding of International Conference of Greek Linguistics.

[11] Nwaozuzu, GI 2008. *Dialects of Igbo Language.* Nsukka: University of Nigeria Press Ltd, 2008.

| | | | | | |
|---|---|---|---|---|---|
| 2 | *Anambra* | *East Niger group of dialects* | -ho, ho/hi, -lo, -ro –ge –re –ra –ha/he-mu<br>-huh+VROOT<br>-CHO | Na/ne,<br>gwo/gwe/<br>gwela<br>-go<br>-wo<br>Cho<br>Sho | /r/ vs /l/<br>/f/ vs /w/<br>/h/ vs/d/<br>/h/ vs /r/<br>/r/ vs /v/<br>/z/ vs /r/<br>/l/ vs /n/<br>/r/ vs /n/<br>/h/ vs /f/<br>/v/ vs /h/ |
| 3 | *Imo and part of Abia* | *East CentralGroup of Dialects* | -hu, -hi, -di, -ghi | -na/-ne,<br>-la/le | |
| 4 | *Abia* | *Cross River Group ofDialects* | Baa, ghi, gi, maa, ni, ghu, gu –o | La/le, gbale, ale, ge | |
| 5 | *Ebonyi* | *North Eastern Group of Dialects* | Te, ta, du, ghi, jene,nu | Le/la,<br>wara/waru/wa<br>-woro –wo | |
| 6 | *Imo* | *South EasternGroup of Dialects* | Ghi, fughi, ghu | La, lu, halu | |
| 7 | *Rivers, delta* | *South WesternGroup of Dialects* | -lem | -la, -le, -lem<br>Kwelem | |
| 8 | *Nsukka* | *NGD* | -ho, ge, kege, kwe | -wo, gwome | |

N'Igbo Izugbe a na-asụ asụ, e kwesiri ka a hazịa mkpụrụụda asụsụ si ebe di icheiche n'ala Igbo, ka a mara ndi a ga-ahọrọ dika mkpụrụụda asụsụ Izugbe, dika e siri hazie Igbo Izugbe a na-ede ede. O[12] gosịrị nke a site n'iji okwu e ji agụ ọnụ n'Igbo dika o di n'ala:

| Nọmba | Ọgụgụ n'Igbo | Obodo o si bịa |
|---|---|---|
| 100 | Narị | Nsụka |
| 1,000 | Puku | Ọlụ |
| 1,000,000 | Nde | Ụmụahịa |
| 1,000,000,000 | Ijere | Delta |

Mkpuruokwu olundi Igbo ndi a si ebe icheiche n'ala Igbo mana e meela ha ka buru okwu Igbo Izugbe. Etu ọ dị ugbua anyị ahụla etu e siri hazikọọ ụfọdụ mkpụrụokwu ndị a, ka ha hapụ ịbụ okwu si n'olundị ma bụrụzie okwu Izugbe. Ụdị nhazi a e mere n'ebe okwu ndị a si n'olundị dị icheiche abụghị ihe a na-ahụ n'ebe fọnọlọji Igbo Izugbe dị. Ajụjụ were bụrụ, kedụ ebe a ga-ahụ data fọnọlọji Izugbe asụsụ Igbo n'ezumezu ya? Iji asụsụ Bekee were hiriisi, ọ bụ na ụlọakwụkwọ na ụlọmgbasaozi ka a na-ejikarị asụmasụ fọnọlọji Izugbe arụ ọrụ. Ọ bụ eziokwu na e ji Igbo akụzi ihe mana agbasa ozi n'ụlọ mgbasaozi dị icheiche mana ndị ọkammụta enwubeghị nkwekọrịta maka mkpụrụụda asụsụ a ga-enwere mgbe e nwere mgbanwe barị n'olundị Igbo abụọ. Ọrụ nchọcha a were bụrụ maka ụdị data fọnọlọji Igbo Izugbe a na-ahụ n' akụkọ ụwa, n'ụlọ mgbasa ozi dị icheiche na edemede ọkọwa okwu Igbo di icheiche.

[12] Emenanjo, Nnaluo 2005. ''Beyound Okasusu Igbo: Igbo Matelanguage: Past, Present, and Future'' in *Igbo Language Development: The Metalanguage Perspective* in C. Ikekonwu & I. Nwadike eds. Enugu: Cidjap Printing Press, 2005.

## Etu E Siri Nweta Data

Data ndị a ga-eji eme nchọcha a si na ụlọọrụ mgbasa ozi redio ise dị n'ala Igbo. Ha bu ndị a:

1. *Anambra Broadcasting Service (ABS) Awka*, n'*Anambra State*.
2. *Enugu State Broadcasting Service (ESBS) Enugu* n*'Enugu State.*
3. *Ebonyi State Broadcasting Cooperation (EBBC)Abakiliki* n*'Ebonyi State.*
4. *Orient Fm Owerri* n'*Imo State.*
5. *Broadcasting Station of Abia (BCA)* n'*Abia*.

Ọ bụ akụkọ ụwa ndị si n'ụlọ mgbasaozi a ka anyị ga-eji etule ụdị ihe a na-ahụ na data fọnọlọjị Igbo Izugbe. Ụlọ mgbasa ozi ndị a dị na steeti ise ebe a na-asụ Igbo na Naịjirịa. E ji recọda were recọdụọ akụkọ atọ maka ụlọ mgbasaozi ọbụla. Akụkọ uwa na ABS. EBBC na BCA na-enwe nkeji iri atọ, ebe ESBS na Orient FM di nkeji iri na ise.

## Mkpụrụụda Asụsụ Mgbanwe

Mkpụrụụda asụsụ mgbanwe a họọrọ maka edemede a bụ /l/ na /r/, /r/ na /f/, /v/ na /b/, /ghị/ na /gị/, /la/ na /go/, /l/ na /n/ na /r/ na /y/.

## Data Na Nnyocha Ha

Na nkeji a na-esonu, anyị ga-enyocha data si n'akụkọ ụwa si n'ụlọ mgbasaozi anọ ndị a:

ụlọ na ụnọ, iru na ihu, ọrịa na ọyịa, ọrụ na ọlụ, agwa<u>go</u> na agwa<u>go</u> na abịaghị, abịagị na abịarọ. Lee omumaatu n'okwu ndia si ulo mgbasaozi ise ndi a:

| | **EBBC** | **ESBS** | **ABS** | **BCA** | **ORINT** |
|---|---|---|---|---|---|
| 1. | ụlọ | ụlọ/uno | uno | ụlọ | ụlọ |
| 2. | iru/ihu | iru | iru | ihu | ihu |
| 3. | ọrịa | ọrịa | ọyịa | ọrịa | ọrịa |
| 4. | ọrụ | ọlụ | ọlụ | ọrụ | ọrụ |
| 5. | agwago/la | agwago/la | agwago | agwala | agwala |
| 6. | abịaghị/gi | abịghị | abịaghị/rọ | abịagị | abịaghị |

N'data ndị anyị huru n'ụlọ mgbasa ozi ise a, e nwere mgbanwe nke mkpụrụụda asụsụ site n'otu ụlọ mgbasaozi were gaa n'ụlọ mgbasaozi ọzọ. I lee anya na ya bụ data ọfụma /l/ na /r/ gbanwere, /r/ na /h/, /r/ na /y/, /n/ na /l/, /go/ na /la/ na /ghị/ /ro/ na /gị/ na-aagbanwe n'okwu ndị e lenyere anya na data a. I lekwaa anya na data a ọfụma ị ga-ahụ na e nwere mgbanwe nke ụda abụọ mana anaghị enwe adịmiche n'okwu ahụ.

N'asụsụ ndị mepere emepe ọfụma dika Bekee, asusu izugbe anaghị enwekebe ụdị mgbanwe dị etu a. Na asusu bekee, enwere obere mana mgbanwe anaghi adi na okwuwa okwu ha, mana mgbanwe dị otu a juru eju na nkọwa okwu Igbo – Legodu nkeji a na-esonu na etu siri nwe mgbanwe n'okwu di icheiche n'ime okowa okwu Igbo di icheiche:

| A | Okwu | Mputara n'Bekee | Odee | Aha akwukwo |
|---|---|---|---|---|
| 1. | Ọrụ | Work | SPILC | Igbo metalanguage |
| 2. | Ọlụ | Work | SPILC | Igbo metalanguage |
| 3. | Ọlụ | Work | Ogbalu | Igbo Eng. Dictionary |
| 4. | Ọrụ/ọlụ | Work | Echeruo | Igbo Eng. Dictionary |
| 5. | Ọrụ | Work | Eke | Igbo Eng. Dictionary |

| | | | | |
|---|---|---|---|---|
| 6. | Ọrụ | Work | Mba | Igbo Eng. Dictionary of Linguistics and Literary Studies |

b.

| | | | | |
|---|---|---|---|---|
| 1 | Ọkara | Half | Ogbalu | Igbo Eng. Dictionary |
| 2 | Ọkara | Half | Igwe | Igbo Eng. Dictionary |
| 3. | Ọkala | Half | Eke | Igbo Eng. Dictionary |

c.

| | | | | |
|---|---|---|---|---|
| 3. | irụ | Ahead/future | Ogbalu | Igbo Eng. Dictionary |
| 4. | irụ/ihụ | Ahead/future | Echeruo | Igbo Eng. Dictionary |
| 5. | irụ | Ahead/future | Eke | Igbo Eng. Dictionary |

d.

| | | | | |
|---|---|---|---|---|
| 1. | ụno/ulo | Work | Igwe | Igbo metalanguage |
| 3. | Ulo | Work | Ogbalu | Igbo Eng. Dictio Nary |
| 4. | ụno/ọlụ | Work | Echeruo | Igbo Eng. Dictionary |
| 5. | ụlo | Work | Eke | Igbo Eng. Dictionary |

Na ọkwa okwu ndị a dị na a – d, e nwere mgbanwe na mkpọpụta /l/ na /n/, /r/ na /h/, /y/ na /r/, /r/ na /l/ na /go/ na /la/ dika e si nwe na okwu ndị anyị hụrụ ụlọ mgbasaozi di icheiche. Site na data ndị a a hụrụ na okwu Igbo si na n'ụlọ mgbasa ozi na okowa okwu Igbo di icheice ebe e kwesịrị iji Igbo izugbe aru oru, ajụjụ nwere bụrụ:

1. Kedụ ebe e nweziri ike inweta deta fọnọlọji Igbo Izugbe na-agaghi enwe mgbanwe?
2. E kwesịrị iji asụsụ nwere mgbanwe eme data Igbo Izugbe?
3. Ọ na rubeghị mgbe a ga-enwe okọwa okwu bụ maka sọọsọ fọnọlọji Igbo Izugbe?

Etu anyị siri zaa ajụjụ a ga-enye aka na ikwalite fonoloji Igbo Izugbe na-enweghi mgbanwe. Ọ bụ olundị Ọnịcha na Owerri na-achị olundị ndị Igbo niile[13]. Nwọga, onye nyochapụtara mgbanwe na-adị na ahụ na arụ, ịla na ịna, ịra na ịna, ịnụ na ịla, ihe na ife, ivu na ibu, uhie na ufie, ahụhụ na afụfụ, arụrụ na ahụhụ na ịsa na ịsụ, wee tụpụta aromaro, wee sị, na ọ ga-adị mma ka a họrọ otu n'ime ụda ndị a na-agbanwe n'olundị ka ha nọchite anya ụda Igbo Izugbe, kama ị hapụ ka ha abụọ na-apụta n' Igbo Izugbe. Emenanjọ[14] kwenyekwara na atụamaatụ a Nwọga[15] tụpụtara. n'uche ya[16] ebe obula uda abuo na-enwe mgbanwe n'olundi, e kwesiri ihoro otu uda ka o nochite anya otu echiche n'Igbo Izugbe, dika o di na mgbada a:

| | Okwu | Olundi | Mputara na Bekee | Mputara izugbe |
|---|---|---|---|---|
| 1a | Iru | Ọnịcha | Face/front | Affix (nganiru prefix) |
| 1b | Ihu | Central | Face/front | Face/front |
| 2a | Mmiri | Central | Water | Water |
| 2b | Miri | Ngwa | Water | Liquid |
| 3a | Ọrụ | Central | Female genitalia | Female genitalia |
| 4b | Ọlụ | Ọnịcha | Work | Work |

[13] Nwoga, Di 1982. Dialect Variation and the Development of Written Igbo in *Igbo Language and Culture in* F. C. Ogbalu & E. N. Emenanjo edited, Volume Two. Ibadan: University Press Limited: (1982

[14] Emenanjo, Nnaluo 2005. ''Beyound Okasusu Igbo: Igbo Matelanguage: Past, Present, and Future'' in *Igbo Language Development: The Metalanguage Perspective*

[15] Nwoga, Di 1982. Dialect Variation and the Development of Written Igbo in *Igbo Language and Culture*

[16] Emenanjo, Nnaluo 2005. Beyound Okasusu Igbo: Igbo Matelanguage: Past, Present, and Future

N'elu a, ebe e nwere /iru/ na (1a) na //ihu/, na (1b), e nwere /iru/ (1a) mere mgbakwunye nganihu, ihu/ (1b) abụrụzie ihu mmadụ. mmiri (2a) abụrụ mmiri a na-anwu anwụ, ebe miri nke (2b) abụrụ ihe ọbụla di mmiri. /ọrụ/ na (3a) abụrụ maka ukwu nwaanyi ebe olu (3b5) ga naanọchi anya ọrụ a na-ar ọrụ arụ. M nabatara echiche nke Emenajo a, n'ihi na o ga-enye aka mkpuruokwu Igbo Izugbe amubaa.

## Edensịbịa


Aniche, Ohiri Chinyere, *Igbo Speech Varieties*. Abuja: Nigeria Solo Media International, 2013.

Echeruo, Micheal. *Igbo-English dictionary*. Ikeja: Longman Nigeria PLC, 1995.

Eke, Julius. *Igbo-English dictionary*. Enugu: New Generation Books, 2001.

Emenanjo, Nnaluo. Standard Igbo Spelling: Nzuke Igbo Izugbe, A Pratical Guide. Aba: Unique Process Limited, 2005.

Emenanjo, Nnaluo. ''BeyoundOkasusu Igbo: Igbo Matelanguage: Past, Present, and Future'' in *Igbo Language Development: The Metalanguage Perspective* in C. Ikekonwu & I. Nwadike eds. Enugu: Cidjap Printing Press, 2005.

Emenanjo, Nnaluo. *A Grammar of Contemporary Igbo*. Port Harcourt: Linguistic Association of Nigeria, 2015.

Igwe, Egemba. I*gbo-English Dictionary*. Ibadan: University Press PLC, 1985.

Ikwubuzo I. R. 2019. 'How to Save Igbo Language from Dying' the sun newspaper Friday 4th Oct 2019 www.sunnewsonline.com.

Mba, Evelyn. A Sociophonology of Oba Igbo in Udezuluigbo in *A festschrift in Honour of Sam Uzochukwu* in Iwu Ikwubuzo, Chinyere Ohiri-Aniche, Chigozie Nnabuihe eds, (Lagos: Green Olive Publishers, Lagos, Nigeria pg 302-312 2008)

Mgbemena, Uba Asonye. *Orthography: the Igbo Example*. Lagos: Sam Iroanusi Publication, 2011.

Mikros GK. Radio News and Phonetic Variation in Modern Greek. Journal of Greek Linguistics. 95 proceeding of International Conference of Greek Linguistics. pg33-44 (1997).

Nkamigbo, Linda, Chinelo. Nasalization, Aspiration and Labialization in Igbo dialect phonology in *SKASE Journal of Theoretical Linguistics [online]*. (2014), vol. 11, no.2

Nwachukwu, Akujuoobi. *Towards a Igbo literary Standard*. London: Kegan Pual International 1983

Nwaozuzu, GI. *Dialects of Igbo Language*. Nsukka: University of Nigeria Press Ltd, 2008.

Nweya, Gerald. 'Igbo Clause Structure and the Cartograpghy of the Complementizer Phrase Domain'. Unpublished PhD Thesis Nnamdi Azikiwe University 2018).

Nwoga, Di. Dialect Variation and the Development of Written Igbo in *Igbo Language and Culture in* F. C. Ogbalu & E. N. Emenanjo edited, Vol. 2 Ibadan: University Press Limited: (1982.

Obiorah, Kenneth Ekezie. ''An Acoustic Description of Standard Igbo and Anam Dailect Sounds.'' Unpublished M.A Thesis, University of Ibadan, (2017)

Ogbalu, Fedrick. *Oka-Okwu: Igbo-English-English-Igbo Dictionary*. Onitsha: University Publishing Company, 2001.

Okafor, Ebele. Analysis of a Phonological Variation in Oraukwu Dailect of Igbo: A case Study of the Phoneme /l/ for /r/. *Lagos Notes and Records A Journal of the Faculty of Arts, University of Lagos*. Vol XI May 2005